(Na kọmputa e deturu ya dịka 040101-5) **<u>*Year C #779*</u>**

***Filling the Gap***

***Imeju Oghere Dị***

***040101-4***

*Daalụ Ezi enyim! Nke a bụ Dọrọti-*

Lee ka o si bụrụ agbamume nye m ịnụ ihe site n'aka ụfọdụ nime unu ma bụrụkwa ngọzi inwe ike, n'akụkụ nke m, ikpere ụfọdụ nime unu ekpere n'ụzọ akpọrọ aha. Anyị nụtara ihe site n'aka otu nwaanyị bi na Mba Malawi, onye detara akwụkwọ ozi wee sị - Ahụrụ m n'anya ige nti n'ihe-omume gị, bụ Ihe Omume Dọrọti Kwa Ụbọchị (maọbụ n'asụsụ bekee, Dorothy's Daily). Ana m ege gị nti kwa ụbọchị. Ị na-akuziri m ọtụtụ ihe. Ahụrụ m n'anya otu ihe-omume i kwuru okwu banyere ya n'ọnwa Eprel gara aga. Ozi ahụ metụrụ ndụ m n'ezie. Abụ m ezi onye nke Kraist nyechasịrị onwe ya; e kwere m ma tụkwasịkwa obi n'Onyenweanyị; ana m agụ ma marakwa Akwụkwọ Nsọ, mana amaara m ma na-enwekwa mmetụta na ọ dị ihe na-adịghị: oghere nke e nwere mmkpa imeju. Kwa ụbọchị ana m ekpe ekpere ka Chineke meghe anya m igosi m ebe nakwa ihe m na-emejọ. Biko, ị ga-ezitere m otu kọpị nke akwụkwọ gị, <u>*Nri nke Okwukwe*</u> (maọbụ <u>*Food for Faith*</u>, n'asụsụ bekee) nke ị kpọtụrụ aha, ka m wee nwee udo na ọṅụ nke Onyenweanyị Jisọs Kraist?

Ọ ga-amasị m ikesara nwaanyị ahụ na ekpere na ịhụnanya anyị n'oge a dị n'etiti unu niile. Ee, o nwere ike ghọta oghere ahụ nke e nwere mkpa imeju. Ị gụa akwụkwọ ozi dị otua, ị ga-amara na ọ hụrụ

Onyenweanyị n'anya. Ị ga-amara na o nyechasịrị onwe ya; ọ nọ nime Okwu Chineke ma na-achọ irite uru site n'ihe niile nke pụrụ inyere ya aka ito nime Ya. Ma ọ na-arịọ ka e nye ya akwụkwọ, nke n'ezie bụ ihe dị mkpa igosi etu ọ pụrụ inweta ihe site n'Okwu Chineke kwa ụbọchị. Akwụkwọ ahụ, <u>*Nri nke Okwukwe* </u>(maọbụ <u>*Food for Faith*</u>, n'asụsụ bekee), bụ nke m maara na ọ ga-abụrụ ya ngọzi, mana ọ na-elekwa anya udo na ọṅụ nime Onyenweanyị Jisọs Kraist.

Ọ bụ ihe dị ịtụnanya na mgbe ụfọdụ anyị na-anọ n'ile anya otu ihe. Anyị na-anwa ime ihe nke na-esota ma na-atụ anya ogbugbo maọbụ ọsịsa nke ihe gaje imeju ndụ anyị. Ebumnobi nke Onyenweanyị Jisọs Kraist bụ ka ndụ mụ na gị juputa na Ya onwe Ya. Ọ bụ ihe dị mfe ikwu okwu n'ụzọ mfe wee sị Onyenweanyị, *Mejuo ndụ m ọhụrụ. Bịa ugbua.* Ị hụrụ, e nwere ọtụtụ oghere a ga-emeju emeju. Mgbe ụfọdụ anyị na-eche sị, "Ọ dị mma, abụ m onye azọpụtara ọtụtụ afọ gara aga ma amaara m na anatara m Mmụọ Nsọ, e mekwara ka Onyenweanyị dị ìrè ma dịkwa oke ọnụahịa nye m ma apụrụ ịghọtakwa Okwu Ya". Mana otu ọ si dị anyị na-aga n'iru na-eche sị, "Ọ dị mma, o nweghị ihe o mere n'ezie banyere ihe nta ndi ahụ niile ndi na-agbajukọta ọnụ nihi na Chineke maara ha ma ọ na-akpakọ ihe niile ọnụ. Ihe ndi ahụ dị ukwu ka m ga-emesoo ma rịọ Ya ka Ọ gwọọ ma sachakwa". Mana ana m agbajọ ihe ahụ dị mkpa na ekwesiri m ka emejua m kwa ụbọchị site na Mmụọ Nsọ Ya. Nke a bụ otu o kwesiri ịdị. Ya mere, ọ dị mkpa na mgbe anyị na-ele anya ihe ahụ, dịka onye kwere ekwe, nke ga-emeju ndụ anyị, anyị nwere mkpa inye Ya ohere ọzọ

ịbụ onye nọ n'etiti ndụ anyị nakwa imeju anyị ọhụrụ site na Mmụọ Nsọ Ya. Ọ na-eju m anya ọtụtụ mgbe nke na eme na m na-eche sị, "Emere m nke a ụnyahụ ma taa ana m emeghachi nke a ọzọ, mana ana m eche na o nwere ihe na-adịghị ya taa". Ọ bụghị na Ọ zọpụrụ ije pụa na ndụ m; n'otu ebe eweghara m ofè ala maọbụ akụkụ karịrị. Kama ikwe ka ọ bụrụ site na Mmụọ Nsọ, ebe Jisọs mgbe niile na-emeju ndụ m rue n'ijubiga okè, ana m amalite iche banyere ọtụtụ ihe n'ụdị na ọ bụ mụ onwe m na-eme ha. Ị maara, "Kedụ ka a ga-esi lụpụta nke a? Kedụ ihe m gaje ime?" Nwayọ nwayọ, ana m ewepụ maọbụ ewezuga ọlụ nke Mmụọ Nsọ ma na-eweghara ọnọdụ ahụ n'oche-eze nke ndụ m, ebe m na-enyeghị Ya ohere ịbụ Onyenwe na Eze nke na-achị nime ndụ m.

Mgbe ụfọdụ, kwa, ọṅụ na-erubiga okè n'ebe ihe nta ndi ahụ dị. Ọ bụ mmehie nta ndi ahụ ka anyị na-enye mkpesa maka ha. Anyị na-anọrọ onwe anyị ma na-agbaso kwa ụfọdụ ọchịchọ nke onwe anyị. Mgbe ụfọdụ ọṅụ bụ ihe na-efu efu nihi ụfọdụ unyi nke tejiri akọ-na-uche maọbụ ụfọdụ nsonye n'ihe ụwa nke na-ebute maọbụ akpata ụdị egwu ịbịa guzoro n'ụkwụ ala nke Obe ahụ. Ọ bụ egwu nke inye ohere ka agụnye n'ọnọdụ m ọlụ ahụ alụsiri na Kalvarị ọ bụghị naanị ịsacha m kama kwa ọ bụ imeso akọ-na-uche ahụ ime ka m nwere onwe m pụa n'ọchịchọ niile nke Iwu wee baa na nnwere onwe nke ndụ Ya. Ma ebe ahụ ka m nọ na-agbụ ma bụrụ onye atụhịworo, ebe m na-eme ihe-omume nta nke a ịgbalị imezu ihe niile a tụrụ anya site n'aka m, mana ọ dịbeghị mgbe m tọgbọworo ya n'ụkwụ Ya; ọ

dịbeghị mgbe m nwere onwe m kpamkpam. Egwu nke a, n'ụzọ ụfọdụ, na-ejichi m ma enwekwara oghere nke a dị na ndụ m. Ana m achọpụtakwa na apụrụ itufu ọṅụ site n'ekweghị ekwe. Ọ pụrụ ịbụ na ekwenyereghị m Chineke n'otu ọnọdụ nke m na-apụghị ịchịkọta ma jikwatali ma hụụ ihe gaje iwere ọnọdụ echi. Nke ahụ na-esite na mpako maọbụ nganga nakwa egwu nke itufu ude aha m. Nke a pụrụ ibute oghere ịdị nime ndụ mmadụ.

Ọzọkwa, apụrụ itufu ọṅụ mgbe a na-ezute Onyenweanyị nime Okwu Chineke, bụ Akwụkwọ Nsọ, dịka m na-achọpụta na ana m amafere ihe, amara ihe ndia nile ma chee sị, "Oo, amaara m ihe ndi ahụ niiile!" ma adịghị m ewere Okwu Chineke dịka ihe dị ndụ ma dịkwa ìrè maọbụ nye ya nlekwasị anya zuru okè ịhụta na Ọ na-agwa m okwu. Ana m enwe mmụọ nke ịmara ụfọdụ ihe nke ọma bụ ihe ndi m na-eche na apụrụ m ijikwa ma mara ihe banyere ha. Adịghị m ahụta na ọ bụ mmiri ndụ dị ọhụrụ ka m chọrọ n'ọnọdụ ọbụla. Adịghị m eji ohere ọbụla anara Okwu Chineke n'ụzọ ahụ dị ndụ.  Emesia mụ onwe m abụrụ onye . . . **na-enwe ụdị nke nsọpụrụ-Chineke, ma agọwo m ike ya ( Timoti nke abụọ isi atọ ahiri nke ise ).**

Ezi nwaanyị ahụ bi na Mba Malawi nwere mkpa nke anyị niile pụrụ igosipụta eleghị anya: oghere nke kwesiri ka emechie ya ma mesokwa ya. Ka anyị chigharịkwute Jisọs ugbua ma sị Ya, *Mesoo maọbụ gboo mkpa nke ihe ọ bụ nke Ị na-agwa okwu nime ndụ m, Onyenweanyị. Ka ọ bụrụ na nrubiga okè nke ihe niile Gị onwe gị bụ na-eweghara ọnọdụ ma mejua ọ bụghị naanị oghere ahụ, kama ka ọ bụrụ mmeju na-*

*erubiga okè nime ndụ m.*

*N'aha Jisọs.  Amen.*